**TTB IGBO**

**ỤGBỌ NKE NDỤ (UNN) – 0250**

JON 3:1-36

MKPARỊTA-ỤKA JISỌS NA NIKODEMUS NA JERUSELEM

(OKWU NKE ABỤỌ)

Nzuko abali nke jisos na Necodimus, na nke ehihie ya na nwanyi sameria nwere (4:5-42) gosiri uzo abuo n'ime otutu uzo ya na ndi madu si nwee nmeko. Ma obu onye-ndu a na-asopuru-asopuru, nke bi n'obodo mepere-emepe, dika necodimus; ma obu onye-nmehie kwuuru-onwe ya, dika nwanyi sameria, Jisos n' ekwuru onye obula okwu dika onye ahu si gosiputa onwe ya, ndi nwere ajuju, nsogbu, na ebum n'obi di iche-iche.

Site na nkparita-uka ndi a, o na akuziri anyi uzo e si ezisa ozi-oma n'ebe otutu madu di iche-iche bi.

Necodemus bu onye Juu bara ogaranya. Onye ome-iwu nke si n' ezi-na-ulo amaara-aha ha na Jeruselem.

O jekwuru Jisos, nani ya n'mgbe-abali. Onye nwe-anyi gwara ya mkpa odi, na uru obara imughari ya ozo, o mesiri hapu ya ka o gaa chebara ya echiche. Mgbe ozo a huru nwoke a, bu mgbe o na ekwuchitere Jisos onu n'ihe banyere usoro e si eme ihe (Jon 7:45-52), ka odi, anukwaghi ihe gbasara ya ozo, rue mgbe akpogbuchara jisos n'obe, mgbe onyere-aka idozi ozu ya maka olili (Jon 19:39)

Anyi onwe-anyi, dika ndi kwere-ekwe, kwesiri I kwusa ozi-oma n'ebe nile ndi madu bi. Dika Jisos, anyi ga-

achoputa, ma jiri kwa usoro-nmuba di iche-iche mee ka ndi enyi na ndi agbata-obi anyi mara onye Christ bu. Ka anyi lee-anya n'akwukwo Jon2:24 – 3:2:

"Ma Jisus onwe-ya araraghi Onwe-ya nye n'aka-ha na ntukwasi-obi, n'ihi na Ọ mara madu nile, 25 ya na n'ihi na ọ dighi Ya nkpà ka onye ọ bula ḅara madu àmà; n'ihi na Ya onwe-ya mara ihe di nime madu.

Ma otù nwoke nime ndi-Farisi di aha-ya bu Nikọdimọs, otù onye-isi nke ndi-Ju: 2 Onye ahu biakutere Ya n'abali, si Ya, Rabai, ayi matara na I bu onye-ozizí Nke siworo n'ebe Chineke nọ bia: n'ihi na ọ dighi onye ọ bula puru ime ihe-iriba-ama ndia nke Gi onwe-gi nēme, ma ọ buru na Chineke anọyeghi ya"

Ekwuru ihe ato banyere Nikodemus n'ebe a. Nke-mbu bu na o bu nwoke onye Farisii, nke putara na o bu otu-onye n'ime ndi kacha di-elu n'ala Israel. O bu onye Farisii, aha ya bu Nikodimus. O bu onye-ndu ndi Juu. Ihe ndi a n'egosi ihe ato e ji mara nwoke a.

Ihe a bu ejiri-mara nke nwoke ogbo-ohuru – ndi n'eyi ihe nkpuchi-iru di iche-iche.

Nikodimus bu nwoke Farisii, mgbe-obula o no n'etiti ha, o buru otu n'ime ha – onye-isi ndi Juu, onye ome-iwu, na onye nwere nsopuru. Okwa nile ndi a kpuchiri madu o bu n'eziokwu.

Otutu umu nwoke n'ebi odi ndu a taa. Ha n'ebi-ndu di iche-iche n'ebe di iche-iche. Na ulo-oru, ha bu madu ozo. Otu a ka odikwa n'etiti ndi-enyi na ezi n'ulo ha. Ha n'ebi ndu di iche-iche n'ebe di iche-iche. Ndi enyi, na ndi ulo-oru agaghi ama onye obu, nihi o yi ihe nkpuchi-iru ozo. Nani ndi ezi-n'ulo ya maara onye obu, nke oma.

Otua ka Nikodimus jiri biakute Jisos wee si “anyi ma”, kedu ndi bu “anyi” ebe a? – ndi Farisii.

Oyi “ihe nkpuchi-iru” Farisii. Itinye ya n’uzo ozo, Nikodemus biakutere Jisos dika onye Farisii

O ji obi ya nile wee bia, Obughi onye iru-abuo. O kwuru si, na ha onwe ha bu ndi Farisii kwere na Jisos bu onye-nkuzi si n’chineke wee bia. E bu m n’obi na obiara ikwu ihe banyere ala-eze chineke. Ndi Farisii choro I site n’ochichi-nchigbu ndi Rom nwere-onwe ha. Ma, ha amaghi otu ha ga-esi mee nke a. Ha huru Jisos na igwe-madu ndi n’eso ya ebe obula o n’aga. Ha mata kwara n’o bu onye ime-obodo Galili n’amaghi ka e si eso ndi-ochichi. N’agbanyeghi ihe ndi a, ha choro ka otinye aka n’ inweta ebum-n’obi nnwere-onwe ha. Ya mere Nikodemus jrii kwuo si na Jisos bu onye-nkuzi nke si n’Chineke bia.

Ihe o n’atu-aka ebe a bu olu-ebube Jisos luru, o na-eme ka onye obula mara n’Jisos luru olu-ebube. Nihi na onweghi onye n’esi arumaru obula banyere ha, ma n’etiti ndi-iro, ma ndi n’eso-uzo ya.

Jisus zara, si ya, N'ezie, n'ezie, a si m, Ọ buru na amughi madu ọzọ, ọ pughi ihu ala-eze Chineke anya (Jon 3:3)

Nke a bu ihe kpatara m ji n’ekwu na Jisos biara n’uwa igwa ndi madu ihe banyere ala-eze. A hughi m ihe mere ka Jisos chubie Nikodimus uka n’onu, wee si ya, “I gaghi ahu ala-eze chineke anya ma o buru n’amughi gi ozo.” Mata kwa n’ nwoke a bu onye Farisii, buru kwa onye-isi okpukperechi ndi Juu; ma, n’agbanyeghi, onye-nwe anyi gwara ya na o gaghi ahu ala-eze chineke anya, beluso amuru ya ozo. N’eziokwu, nwoke a n’ekwu okwu gbasara ala-eze chineke na nkwalite ya. Ma, a na m eche n’aziza Jisos ga-gbanwe obi ya. Ya mere, o wepuru

ihe nkpuchi-iru nwoke onye Farisii. Mana, o ka bu kwa onye-isi ndi Juu.

Nke a bu Jon 3:4-8 Nikọdimọs we si ya, Èsi aṅa pu imu madu mḅe ọ kara nká? ọ̀ puru ibà n'afọ nne-ya nke uḅò abua, ewe mua ya? 5 Jisus zara, N'ezie, n'ezie, asim i, Ọ buru na amughi madu site na miri na Mọ Nsọ, ọ pughi ibà n'ala-eze Chineke. 6 Nke amuworo site n'anu-aru bu anu-aru; nke amuwo-kwa-ra site na Mọ Nsọ bu mọ. 7 Ka ọ ghara iju gi anya na M'siri gi, Aghaghi imu unu ọzọ. 8 Ifufe nēfe ebe ọ nāchọ, i nānu kwa olu-ya, ma i mataghi ebe o si bia, na ebe ọ nāga: otú a ka onye ọ bula amuworo site na Mọ Nsọ di."

Jisos siri n'a aga amughari ya ozo. Mkpuru-okwu Grik atughariri "ozo" bu "anothen" nke putara, "O si n'elu." Nani ihe Nekodimus chetara n'ime okwu a bu, nwanyi imu nwa-ohuru. Nke a mere ka O yipu uwe Farisii n'atufughi oge, wee n'aju ajuju si: kedu ka nke a g'esi wee mee? Onye nwe anyi anaghi ekwu okwu imu nwa-ohuru nke anu-aru, kama, o na ekwu okwu nke ime muo, ma Nikodemus aghotaghi ihe nke ahu putara. Ihe kpatara ya bu na o weghi nghota nke ime-muo.

Ugbu a, kedu ihe bu imu-madu site na miri na muo-nso? Ufodu n'che na imu madu site na miri putara itinye onye ahu n'ime miri-dika anyi maara baptism. Ma, obughi ihe Jisos n'ekwu ebe a. Ihe o n'ekwu abughi odi-iche di na imu madu n'anu-aru na imu-madu n'ime muo. Ihe o na ekwu bu "imughari madu ohuru."

Dika anyi huru na akwukwo Jon isi abuo, miri na anochite okwu chineke. Emesia, anyi ga-ahu n'akwukwo a, na Jisos kwuru na Jon isi iri na asaa, ahiri nke iri na asaa, si, "Were ezi-okwu do ha nsọ: okwu-Gi bu ezi-okwu" ike e ji asacha njo di n'okwu chineke. Na akwukwo Jon15:3, Jisos si, "Uḅu a unu onwe-unu di ọcha n'ihi okwu nke M'gwaworo unu." E ji miri tunyere okwu

chineke. Anyi kwenyere n’imu madu site na mmiri na mmuo nso putara imughari madu n’mmuo-nso site na okwu chineke. Anyi kwesiri ike na, onweghi onye puru inwe ndu ohuru, ma o buru na o siteghi na okwu chineke na mmuo-nso chineke.

Na akwukwo olu-ndi-ozi, e nwere ihe ima-atu ato banyere imughari madu ozo; nke nwoke Ethiopia apiri-api, nke Sol, na nke Konelus. Madu ato ndi a bu ndi nnochite-anya ezi-n’ulo Noah: opara Shem, opara Ham, na opara Japhet. N’ime madu ato ndi a, mmuo-nso nke di n’okwu chineke bu ihe gbanwere ndu ha. Usoro chineke di ka obu, okwu nke chineke, nke muo nke chineke ji, nke enyere site n’aka onye nke chineke. Ekwesiri m ike na onye nwe anyi, na-ekwu na a ga-amuriri mmadu ozo site na miri na mmuo-nso, nke bu, mmuo-nso chineke I ji okwu chineke; ewepu nke a, Nekodimus agaghi aba n’ala-eze chineke.

Ebum n’obi na chineke apughi igbanwe anu-aru ochie, nke mu na gi bu.  Nke bu ezi-okwu bu, onweghi onye puru igbanwe ya. Akwukwo-nso kwuru okwu banyere nke a. Madu ochie ahu na chineke di n’agha oge obula. *“n'ihi na itukwasi uche n'anu-aru, ya na Chineke di n'iro; n'ihi na edoghi ya n'okpuru iwu Chineke, n'ihi na apughi kwa ido ya n'okpuru ya: 8 ndi nke nọ n'anu-aru apughi kwa itọ Chineke utọ.”* Chineke enweghi atumatu igbanwe anu-aru anyi, nani ihe chere ya n’iru bu I laghachi n’ime-ili. Ma, oburu na anyi adi ndu tupu o bia ozo, a ga-agbanwe anyi n’otu ntabi-anya, nke putara n’anyi ga atupu anu-ahu ochie ahu. O naghi erubere iwu chineke isi;  *“Nke amuworo site n'anu-aru bu anu-aru; nke amuwo-kwa-ra site na Mọ Nsọ bu mọ.”*

Chineke a gaghi azoputa anu-aru a. atumatu ya bu I ji nke ohuru gbanwee ya. Nmughari nke ime mmuo di nkpa, nihi, site n’ya, a ga enye mu n’gi anu- aru ohuru.

I hula ugbu a na Nikodemus, onye yikwasiri ihe nkpuchi-iru “onye-ndu ndi Juu” e yighikwa ya ozo.

Jisos n’ekwu, “inweghi ike imata ebe ifufe si a bia, na ebe o na aga. Ikuku n’ifufe bu ihe madu na-apughi ichikota. O na efega ebe ochoro. Madu enweghi-ike igbanwe ya.  O bu ezie n’anyi apughi ijide ikuku, ma, anyi nwere ike imata mgbe o na-efe. Madu nwere ike igwa onye ozo si, ifufe n’efe. Ichoro I mata mgbe ifufe o n’efe, lee anya n’osisi ndi no gi nso. I ga-ahu ka akwukwo ha si efeghari, na otu osisi si erudata. “anyi nwere ike imata mgbe ikuku n’efe.  “Ifufe nēfe ebe ọ nāchọ, i nānu kwa olu-ya, ma i mataghi ebe o si bia, na ebe ọ nāga: otú a ka onye ọ bula amuworo site na Mọ Nsọ di,” n’agbanyeghi na anyi aghotaghi ya, ma, o na egosi otu esi amu madu site n’mmuo-nso. Enweghim ike igwa gi otu mmuo nke chineke si aru oru, mana, enwere m ike igwa gi mgbe o na-agaghari n’ndu na obi ndi nke ya. nke a bu kpom-kpem ihe onye nwe anyi n’ekwu ebe a. onye-nwe-anyi ewepula ihe mkpuchi-iru abuo. Nwoke guzo zi n’iru ya abughizi onye Farisii, obughi kwa onye-ndu ndi Juu. Onye ka o bu? Ka anyi lee ihe ama-okwu a n’ekwu. Nke a bu Jon 3: 9-13 “Nikọdimọs zara ya si, Ìhe ndia si aṅa pu ime? 10 Jisus zara, si ya, Gì onwe-gi bu onye-ozizí Israel, ma i maghi ihe ndia? 11 N'ezie, n'ezie, asim i, Ayi nēkwu ihe ayi matara, ayi nāḅa kwa àmà ihe ayi huru; ma unu anaraghi àmà-ayi. 12 Ọ buru na agwaram unu ihe nke uwa, ma unu ekweghi, ùnu gēsi aṅa kwere, ma ọ buru na agwam unu ihe nke elu-igwe.”

Ugbu a, dika o guzo ebe ahu, o na-atughari obi ya imata otu ihe ndi a g’eji wee mee, onye-nwe-anyi ga-akowakwara ya. Mu na gi nwekwara ike iyi ihe nkpuchi-iru nke anyi, eziokwu bu na otutu madu n’eyi ha taa, were ya n’ekpuchite ihe ha bu n’ezie. Ma, mgbe anyi n’abiakute jisos, enyi m, odi nma ka anyi wepu ihe

mkpuchi-iru anyi. Ikpuchi-iru adighi nma n’ebe Jisos no. anyi kwsiri I bu onwe-anyi, biakute ya dika anyi di. Mgbe ahu, Jisos ga eleba ihe gbasara anyi anya dika okwesiri. Otu a kwa ka o ga-esi leba-anya n’ihe banyere Nekodimus.

O na-agwa Nekodimus na o natabeghi ogbugba-ama ya, obuna, dika esi gwa ya.

O ga-kwara n’ru gosi ya otu ihe putara ihie n’ozioma Jon. O wee kwuo, si, “onwebeghi onye obula rigooro n’eluigwe.” Nke a bu osisa nye ndi na-eche si, Elija na Enok lara n’eluigwe mgbe ahu agbanwere ha. E cheghi m na o bu ezi-okwu maka na rue ugbu a, onye-nwe-anyi kwuru na onwebeghi onye obula rigoro n’eluigwe, ma-ọbughi Onye siri n'elu-igwe ridata, bú Nwa nke madu. N’itinye ya n’ uzo-ozo, ihe o n’ekwu bu n’obu nani ya puru ikwu-okwu banyere eluigwe, nihi na o bu nani ya bu onye rigooro n’eluigwe. O bu ezi-okwu na enweela otutu madu ndi rigoro n’elu-igwe, ke-mgbe Christ rigochara. Ma n’oge agba-ochie, nwa-chineke obula nke nwuru n’aga ebe a na-akpo paradise, ma obu “n’obi Abraham”, dika onye-nwe-anyi kporo ya (Luk 16:22)

O bu nani mgbe Jisos sitechara n’onwu bilie, wee lagoro n’eluigwe, ma kee ekensu agbu, ka o kpooro ndi nile no rii na paradise wee gaa n’iru chineke n’eluigwe. Site n’mgbe ahu, banyere nwa chineke obula, o bu zi “…ọ di kwa ayi ezi nma kari ka ayi ghara inọ n'ulo n'aru-ayi, ka ayi nọ kwa n'ulo n'ebe Onye-nwe-ayi nọ” (2Korint 5:8). Ma mgbe Jisos no n’uwa, onwebeghi onye obula lagooro n’eluigwe. Nke a bu Jon 3:14-21

“Ma dika Moses weliri agwọ n'ọhia, ọbuná otú a aghaghi iweli Nwa nke madu elu: 15 ka onye ọ bula nke kwere we nwe ndu ebighi-ebi na Ya. 16 N'ihi na Chineke huru uwa n'anya otú a, na Ọ nyere ọbuná Ọkpara Ọ muru nání Ya, ka onye ọ bula nke kwere na Ya we ghara ila

n'iyì, kama ka o nwe ndu ebighi-ebi. 17 N'ihi na Chineke eziteghi Ọkpara-Ya n'uwa ka O kpe uwa ikpé; kama ka ewe site n'aka-Ya zọputa uwa. 18 Ekpeghi onye kwere na Ya ikpé: ekpewo onye nēkweghi na Ya ikpé uḅu a, n'ihi na o kweghi n'aha nke Ọkpara Chineke muru nání Ya. 19 Ma nka bu ikpé ahu, na Ìhè ahu abiawo n'uwa, ma madu huru ọchichiri n'anya kama Ìhè ahu; n'ihi na ọlu-ha jọrọ njọ. 20 N'ihi na onye ọ bula nke nēme ihe nādighi nma nākpọ Ìhè ahu asì, ọ dighi-abiakute kwa Ìhè ahu, ka aghara itu ya ọlu-ya nile n'anya. 21 Ma onye nēme ihe bu ezi-okwu nābiakute Ìhè ahu, ka ewe me ka ọlu-ya puta ìhè, na aluworo ha na Chineke."

Mgbe Moses weliri agwo ahu n'elu osisi, maka ntaram-ahuhu nke chineke, nihi nmehie nke umu isreal, nani ihe ha nwere-ike ime maka inweta ogwugwo bu, Ile agwo ahu anya. Dika moses weliri nwa-agwo ahu elu, otua ka a ga-esi welie krist elu. Ihe agwo ahu putara bu nmehie nke ndi madu. Ma, Christ ka emere ka o buru nmehie n'elu-obe maka anyi, nihi na O yikwasiri njo uwa nile n'aru ya dika uwe. Ya mere, dika moses weliri agwo ahu elu, otu aka a ga-esi welie nwa nke madu elu.

Na ebe a, Jisos gwara Nekodimus okwu nke amaara-amaara n'ime akwukwo-nso, "Ma dika Moses weliri nwa-agwọ elu n'ọzara, ọbuná otúa aghaghi iweli Nwa nke madu elu: 15 ka onye ọ bula nke kwere we nwe ndu ebighi-ebi na Ya."

Ihe abuo kwesiri iribe-ama n'ebe a. Nke mbu bu na a ga-amuriri anyi ozo. Nke abuo bu na a ga eweli nwa-nke-madu elu. Ihe abuo a were njiko. Nani onwu Christ, na mbilite n'onwu ya bu ihe o ga-ewe. A ga-ebuli ya elu. Ebe o bu na eweliri ya elu, ebe o bu na o buuru ntaramahuhu anyi, mmuo nke chineke nwere ike igbanwe ndu anyi. A ga-amukwa anyi ozo – nke a bu nani uzo chineke nwere ike I si nabata anyi.

Ihe nkwalite-obi n’ime ihe nile ndi a bu na chineke huru uwa n’anya. Chineke ejighi ihunanya gbaputa uwa, nke a bu echiche nke aghotaghi-ahota juru ebe nile taa. O sighi na o bu ihunanya chineke gbaputara uwa, maka na ihunanya chineke apughi izoputaonye nmehie. Chineke n’esite na-amara ya wee gbaputa madu, “n’ihi na ọ bu amara ka ejiworo zọputa unu, site n'okwukwe; nka esiteghi kwa n'onwe-unu: ọ bu onyinye Chineke: 9 o siteghi n'ọlu, ka onye ọ bula we ghara inya isi.” (Efesos 2:8-9) ugbu a, olee ka chineke si azoputa madu? Chineke ji amara azoputa madu. “N'ihi na Chineke huru uwa n'anya otú a, na Ọ nyere ọbuná Ọkpara Ọ muru nání Ya, ka onye ọ bula (I nwere itinye aha gi ebe a) nke kwere na Ya we ghara ila n'iyì, kama ka o nwe ndu ebighi-ebi.” Echefula na nkwenye a bu ikwere na christ, nke n’egosi ntukwasi-obi, nke sitere n’nghota anyi nwere na o bu ya tara ahuhu maka nmehie anyi nile. Anyi ga ekweriri na o bu ya nwuchiteere anyi onwu. Onye obula kwere n’aha ahu ga-enwe ndu ebighi-ebi, ogaghi aba n’omuma-ikpe.

Cheta na o bu Nikodemus ka o na-agwa okwu, nwoke onye Farisii. Ndi Farisii kwenyere n’onye-nzoputa nke ga abia, na-abia ikpe-ikpe. Agba ochie gosiputara ihe abuo banyere obibia nke onye-nzoputa: nke mbu bu dika onye nzoputa, onye biara inwu-onwu na ikwu-ugwo; nke abuo bu obibia ya dika onye-ikpe. Ha chere na Mezaia ahu ga-abu onye oka ikpe mgbe o ga-abia, nihi na akwukwo abu-oma dere si, “I geji mkpara-igwe tiwaa ha…” Daniel kwukwara okwu banyere ya dika onye oka-ikpe nke uwa nile (Dan 7:13-14). Abu-oma 45 siri na o bu onye ga-achi uwa nile n’ezi-omume. Isaiah 11 na 42 e wee kwue maka ikpe-ikpe nke ezi omume ya. Onye nwe anyi Jisos mere ka odoo Nekodemus anya na obughi maka ima uwa ipke ka chineke jiri zite okpara ya ugbu a, kama o bu ka ndi uwa site n’okpara ya nwee nzoputa. “Uwa” bu nkpuru-okwu si na asusu grik bu “Kosmos”, nke putara “atumatu ngbaputa chinineke emetuwo uwa nile.’ O biaghi ima

uwa ikpe, ma o bu ikpe uwa ikpe, kama obiara ka o gbaputa uwa.

N’ime krist, onweghi amamikpe di. Ndi n’anoghi nime krist anataworii amamikpe. Ufodu na-eche na uwa nile n’agabiga ihe isi-ike, k’odi taa. Ma, obughi otu a. Uwa bu nke furu-efu. Mu na gi bi n’ime uwa nke furu-efu, ya mere, anyi agaghi echere ikpe nke ubochi ikpe-azu I ji mara n’anyi bu ndi furu-efu. Onodu anyi di ka nke onye no n’ulo-mkporo, nke a n’aju ma o ga anabata mgbaghara. O bu ihe ozi-oma Jisos n’ech anyi n’iru ugbu a. O bughi I gwa madu na a na ekpe ya ikpe, kama na amawo ya rii ikpe-onwu. O norii n’ulo-nkporo n’eche ubochi ogbugbu ya. N’onodu ahu ka ozioma gwara ya n’enyewo ya ngbaghara. Isi-okwu bu, I ga-anara kwa onyinye ngbahara a. kedu uzo ozo a ga e ji mee ka nke a doo anya? Ozioma Jisos bu maka nzoputa ndi furu-efu, ndi amawororii ikpe-onwu.  ihutara na onye nwe anyi ji okwu ndi n’adighi nma n’nti metu-aka n’otutu ihe. Ihe-ojoo na ochichiri, na ihie na eziokwu anaghi enwe nmeko. Ebe a ka nkparita-uka Jisos na Nekodemus kwusiri. Nke n’eso bu nke John onye Baptizim site na Jon3:22-36

Akuko ogbugba-ama Jon onye Baptizim

“Mḅe ihe ndia gasiri Jisus na ndi nēso uzọ-Ya biara n'ala
Judia; n'ebe ahu ka Ya na ha nānọgide, Ọ nēme kwa
baptism. 23 Jọn nēme kwa baptism n'Inon nke di Selem
nso, n'ihi na miri riri nne n'ebe ahu: ha we nābia, anēme
kwa ha baptism. 24 N'ihi na akātubàghi Jọn n'ulo-
nkpọrọ. 25 Ya mere iju-ajuju putara n'etiti ndi nēso uzọ
Jọn na onye-Ju banyere ime-ọcha. 26 Ha we biakute Jọn,
si ya, Rabai, Onye gi na Ya nọ n'ofè Jọdan, Onye gi onwe-
gi ḅaworo àmà nye Ya, le, Onye ahu nēme baptism,
madu nile nābiakute kwa Ya. 27 Jọn zara, si, Madu
apughi inata ihe ọ bula, ọ buru na eweghi ya nye ya site
n'elu-igwe. 28 Unu onwe-unu nāḅaram àmà, na m'siri,

Mu onwem abughi Kraist ahu, kama, na ezitewom n'iru
Ya. 29 Onye nwere nwunye ọhu bu onye nālu nwunye
ọhu: ma enyì nke onye nālu nwunye ọhu, onye nēguzo
nānu kwa okwu-ya, ọ nāṅuri ọṅu nke-uku n'ihi olu onye
ahu nālu nwunye ọhu: ya mere emezuwo ọṅùm a. 30 Ya
onwe-ya aghaghi idi nāba uba, ma aghaghm idi nāla alà.
31 Onye si n'elu bia ka ihe nile elu: onye si n'ala puta
nāputa n'ala, si kwa n'ala nēkwu okwu: Onye si n'elu-
igwe bia ka ihe nile elu. 32 Ihe nke ọ huworo na nke Ọ
nuru, nka ka Ọ nāḅa àmà; ma ọ dighi onye ọ bula nānara
àmà-Ya. 33 Onye nara àmà-Ya kara akàrà-ya na nka, na
Chineke bu Onye ezi-okwu. 34 N'ihi na Onye ahu
Chineke zitere nēkwu okwu Chineke: n'ihi na O siteghi
n'ọtùtù enye Mọ Nsọ. 35 Nna nāhu Ọkpara-Ya n'anya, O
nyewo kwa Ya ihe nile n'aka. 36 Onye kwere n'Ọkpara
ahu nwere ndu ebighi-ebi; ma onye nēkweyeghi Ọkpara
ahu agaghi-ahu ndu, kama iwe Chineke nānọgide n'aru-
ya."

N'oge a, Jon nwekwara ike izisa ozioma "… ala-eze eligwe di-nso" (matiu 3:2) o bu mgbe anwasiri onye nwe anyi onwunwa ka a kpochiri Jon n'ulo-nkporo- ozioma ndi ozo gwara anyi nke a.

Ka m nwere ya na ndi n'eso-uzo Jon bu ndi-ekworo. Ha n'atu-aro ka Jon hapu ikpotu aha Jisos. Ha chere na o ka-nma otu ahu. Ihe ha n'egosi bu na o kwesighi igba-ama jisos site n'mbido, nihi na ndi madu nile na a gakwuruzi Jisos – ugbu a, nke a bu ikwubiga-okwu oke – ma o gosiri na ha nwere ekworo, obi esighi ha ike, nihi ha chere na ndi nile n'eso Jon ga-efunahu ya.

Madu enweghi ike igbanahu nke a. enyi m, Jon Baptist bu onye ikpeazu n'ime ndi amuma agba-ochie. O bughi onye otu ogbako okpukperechi obula. O mere ka odoo anya ebe a: "onye nwere nwunye…" onye bu nwunye? Ulo-nzuko krist. "onye nwere nwunye ohuru bu onye n'alu nwunye ohuru. "Onye bu Jon? O bu enyi jisos, bu,

nwoke ahu n’alu nwunye ohuru. O ga-abu otu na ndi g’eso n’oriri alum di n’nwuye nke nwa-aturu ahu, ma na obughi onye otu-nzuko obula. Obu onye ikpe-azu n’ime ndi amuma agba-ochie, onye sitere ebe ahu wee gafee n’agba-ohuru, maka ikwputa obibia nke Mezaia. “O we si, Ọ bu n'ihi nka a ka m siworo unu, na ọ dighi onye ọ bula puru ibiakutem, ọ buru na enyeghi ya site n'aka Nnam.” (Jon6:65). Lee ka okwu ndi a si di ukwuu! Na mgbe ahu, Jon na-ekwu na Christ ga-abawanye ma Jon ga-ebelata. Ozi Jon abiala na njedebe ugbu a. Jon mere ka odoo-anya na onye nwe anyi Jisos Krist kariri, na o na-enyekwa ha ogbugba-ama nke mara ezigbo nma banyere onye nwe anyi Jisos.

“onye kwere n’okpara ahu g’enwe ndu ebighi-ebi”

**OKWU NCHIKOATA**

I nuwo ya nke oma! Enyi m, onweghi uzo ozo I g’eji nu ya karia otu a. Jon onye baptism kwusara ozi-oma, dika I huru. O n’ekwu si, onye obula n’enweghi Jisos bu onye furu-efu, ma na onye kwere na ya g’enwe  ndu ebighi-ebi. Nke a bu akuko ogbugba-ama di ike nke nwoke a kwuru banyere Jisos.